# NNUPỤISI NKE NDỊ ISRAEL MEGIDE CHINEKE
## Ọnu-ọgugu 14:1-45
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 102 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye ihe nāgara nke-ọma ka madu ahu bu nke ike o nwere di na Gi; uzọ nile atuliri atuli ijeru Zaiọn di ha n'obi. Mgbe ha nāgabiga ndagwurugwuru Baka ha nēme ya ka ọ buru isi-iyi di iche iche" (Abù Ọma 84:5, 6).**

**I Obi Ịlọmmiri nke Ụmụ Israel**
1. Nzukọ niile nke ụmụ Israel kwaraákwá n'abalị ahụ n'ihi akụkọ ọjọọ nke ndịnledo iri ahụ wetara, Ọnu-ọgụgu 14:1; 13:33
2. Ha tamurù ntamù megide Moses na Eron, náatụ egwù ihe gaadakwasị ụmụ ha, karị ịtụ egwù Chineke, Ọnu-ọgugu 14:2, 3; Nkpughe 21:8
3. Ha tụpụtara imere onweha otù onyeisi gaeduru ha laghachi n'Ijipt, Ọnu-ọgugu 14:4; I Ndi Kọrint 10:11

**II Arịrịọ nke Ndị ndú Ha**
4. Moses na Eron wee daa kpue iru ha n'ala n'iru mkpọkọta niile nke Ụmụ Israel, Ọnu-ọgugu 14:5
5. Joshua na Keleb dọwara uwe ha, náagwa kwa ndị Israel okwu ka ha ghara ịnupụisi megide Chineke, Ọnu-ọgugu 14:6-9
6. Ma nzukọ Israel niile chọrọ iwere nkume tụgbue Joshua na Keleb, ma ebube JEHOVA wee jupụta n'ụlọikwuu nzute, Ọnu-ọgugu 14:10

**III Ikpé JEHOVA Ime ka Egwù Tụọ Ndị Israel**
7. Ọ bara mbà iwere ajọ ọrịa tigbue ha, wee mee ka Moses ghọọ mba dị ukwuu karịa, Ọnu-ọgugu 14:11, 12; Ọpupu 32:10
8. Dịka onye náarịọchitara Israel arịrịọ, Moses kpereekpere ka Chineke gbaghara ha, n'ihi otuto nke Ya onweya, Ọnu-ọgugu 14:13-19; Ọpupu 32:12
9. JEHOVA wee gbaghara Israel dịka okwu Moses si dị, Ọnu-ọgugu 14:20

**IV Ndị Bụ Okenye Nime ha ka Amaraikpé Ịnwụọnwụ Nime Ọzara ahụ**
10. Ebe ha nwaworo Chineke ugbò iri, ha agaghị ahụ Ala ahụ Ekwere ha ná Mkwà, Ọnu-ọgugu 14:21-25; Matiu 4:7
11. Enyere ha iri arọ anọ ka ha wagharịa, ma ọ bụ náání ụmụ ha gaaba, Ọnu-ọgugu 14:26-35; Ndị HIbru 4:1, 2
12. Ndịnledo iri ahụ ka etiri ihe otiti, ma náání Joshua na Keleb ka arapụrụ ịbà n'ala ahụ, Ọnu-ọgugu 14:36-38, 24-30

**V Mgbalị Náalụpụtaghị Ihe nke Israel Ịbànye N'ala ahụ**
13. Ha biliri n'isiụtụtụ, náejikere na ha gaaba n'Ala Mkwà ahụ, Ọnu-ọgugu 14:39, 40
14. Moses dọrọ ha akanántị ka ha ghara imebi iwu nke JEHOVA, Ọnụ-ọgugu 14:41-43
15. Moses nọdụrụ nime Ụlọikwuu, ma ha rịgoro n'ugwu ahụ, ndị Amalek wee tigbue ha, Ọnụ-ọgugu 14:44, 45

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Mmehie Ekweghị ekwe nke Ụmụ Israel**

Ihe nlereanya pụtara ìhè naegosi ihe ekweghịekwe pụrụ iduba mbà nime ya, bụ ọdịda jọgburu onweya nke Israel dara mgbe ha bịaruru n'ókè Ala Mkwà ahụ bụ nke JEHOVA nyere ha n'iwu ka ha baa nweta ya. Na mbụ mgbe setan sịrị nwanyị ahụ, "Ọ gābu ezie na Chineke sịrị?" O nwetara ihe ọ chọrọ nke bụ ịkụnye mkpụrụ nke ekweghịekwe nime obi ụmụmmadụ. Ọbụná ndị mmụọ ọjọọ kwekwara wee kụja, ma ekweghịekwe a nke dị nime obi nke Ụmụ Israel ka ekwupụtara nime Baịbụl na ọ bụ mmehie nke kachasị mmehie niile nke mesịrị weta ọdịda nke mba ahụ. N'ụbọchị taa, ekweghịekwe bụ kwa mmehie nke náeduru ọtụtụ puku igwè mmadụ anaapụghị ịgụta ọnụ ịbànye n'ọkụalamụọ.

Anyị mụtara n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke garaaga na mgbe Ụmụ Israel rutere okèala nke Kenean ha chepụtara ịgwá Moses na aghaghị izipụ ndịnledo ka ha gaa nyochaa ala ahụ. Náarụghịụka, nke a bụ àtụ̀mààtụ̀ kachasị mma nke anaaghaghị ịgbaso. Ma Chineke Onye maara obi ụmụmmadụ hụrụ ihe dị n'okpuru àtụ̀mààtụ̀ a. Ọ bụghị na Ụmụ Israel amaghị ihe banyere ala Mkwà ahụ n'ihi na Chineke agwawo harị ihe banyere ngọzi niile ọ̀gụ̀ ha niile. Ma asị na ndịa nwere ntụkwasịobi n'ebe Chineke nọ, ụdị ntụkwasịobi nke ịdịmma Ya na ọlụ ebube niile nke Ọ lụụrụ ha gaakpaliworị, ha gaara ekwenye n'ihe Chineke kwuru wee bànye inweta ala ahụ náatụfughị oge dịka O nyere n'iwu. Ma ebe ha

nwere àtụ̀mààtụ̀ ọzọ dị icheiche, Chineke rapụrụ ka ha soro uche ha gbagọrọ agbagọ, na ihe nlụpụta jọgburu onweya nke ekweghịekwe ha wetara ha.

Mgbe ndịnledo irinaabụọ ahụ latara, ha gbara àmà na ala ahụ bụ n'ezie ihe Onyenweanyị kwuru – na ọ bụ nke mmiriaraehi na manụañụ naeru nime ya – ha weta kwara mkpụrụ nke sitere n'ala ahụ dịka iheàmà nke ngọzi dị icheiche nke ala ahụ. Ma – nime obodo ahụ kwa ka "ejiri mgbidi di elu wusie ike," ma "ndị okoro ukwu bi kwa nime ya!" Mgbe akụkọ ọjọọ nke ndịnledo iri a gwụsịrị, egwù bara n'obi Ụmụ Israel, nke bụ nzọụkwụ nke abụọ nime ekweghịekwe. N'abalị ahụ niile, ha kwaraákwá sị, "Ọ gādi ayi nọ nma ma asi na ayi anwuruwo n'ala Ijipt" maọbụ "ọgādi ayi nọ nma ma asi na ayi anwuruwo n'ọzara nka." Ha tụkwara egwù ihe gaadakwasị ụmụ ha, náákwá sị "ụmụ-ntakiri ayi gāghọ ihe-nluta n'agha." Ihe ọzọ ha mere bụ ntamù megide Moses na Eron, na ịrọpụtara onweha otù onyeisi gaeduru ha laghachi n'Ijipt. Otú a ka nnupụisi megide Chineke si malite.

Ndịnledo abụọ nime ha bụ́ Joshua na Keleb ahụwo kwa obodo ahụ niile agbara mgbidi gburugburu, na obodo ewusịrị ike, na ndị dike nke ala ahụ. Ma ihe ndịa niile akpalighị egwù nime ha, n'ihi na ha nwere okwukwe na Chineke. Ha chetara iheịrịbaàmà niile nke O mere na mkwà niile nke O kwere. "Ha we gwa nzukọ nile nke ụmụ Israel okwu sị: Ọ buru na ihe ayi atọ JEHOVA utọ, Ọ gēme kwa ka ayi ba n'ala nka Ọ gēnye kwa ayi ya; bú ala nke miri-ara-ehi na manu añu nēru nime ya. Nánị́, unu anupu-kwa-la isi n'aka JEHOVA, unu onwe-unu atu-kwa-la egwù ndi ala ahu; n'ihi na nri-ayi ka ha bu: ihe nchegide ha ewezugawo onwe-ya n'iru-ha, ma JEHOVA nọnyere ayi: unu atula egwù ha" (Ọnu-ọgugu 14:7-9). Ma nzukọ ahụ niile jikere ịtụ ha nkume ọ bụ ezie na emere ka ebube JEHOVA pụta ìhè nime Ụlọikwuu nzute ahụ n'anya Ụmụ Israel niile.

## Ahụhụ nke Chineke Nyere Israel

N'ọnọdụ a nke nnupuisi ha ruru ugbu a ka Chineke malitere ime ihe, wee gwa Moses okwu sị "Rue ole mgbe ka ndị nka gēlelim anya? Ọ̀ bu kwa rue ole mgbe ka ha nāgagh-ekwe na Mu, n'ihi ihe-iriba-àmà nile nke M'meworo n'etiti ha? M'gēwere ajọ ọrịa nēfe efe tigbue ha, M'gānapu kwa ha ihe ha nwere, M'gēme kwa gi ka ị ghọ mba di uku di kwa ike kari ha" (Ọnu-ọgugu 14:11, 12). Ma Moses, dịka ụdị Onyeogbugbo ahụ dị ukwuu, malite kwara ọzọ maka ịnapụta ndị ahụ, ná ịrịọ arịrịọ banyere ha n'iru JEHOVA. O chetaara JEHOVA otú O si kpọpụta ha site n'ala Ijipt n'aka dị ike, wee duru kwa ha n'udo rute n'ókè Ala ahụ O kwere ha ná Mkwà. Ọ bụrụ na egbusịa ha, gịnị ka mba ndịa gaekwu? "Ma asi na I me ka ndi nka nwua dika otù onye mba nile ndi nuworo akukọ banyere Gi gēkwu kwa, si, N'ihi na JEHOVA enweghi ike ime ka ndi nka ba n'ala ahu nke Ọ ñuru iyi inye ha, n'ihi ya ka O gbuworo ha n'ọzara. Ma ugbu a, biko. Ka ike Onye-nwe-ayi di uku, dika I kwuworo si, JEHOVA adigh-ewe-iwe ọsọsọ, Ọ nāba uba n'ebere, Ọ nāgbaghara kwa ajọ omume na njehie, ma ọ digh uzọ ọ bula Ọ gāgu ndi ikpe mara na ha bu ndi ikpé nāmagh; Ọ nēwere kwa ajọ omume nke ndi bu nna leta umu-ha, leta umu-umu nke atọ. Leta kwa nke anọ. Biko, gbaghara ajọ omume nke ndi nka dika idi-uku nke ebere-gi si di, na dika I gbagharaworo ndi nka, site n'Ijipt we rue ugbu a" (Ọnu-ọgugu 14:15-19). Náagbanyeghị otú ịdị ukwu nke mmehie nke Ụmụ Israel ra, JEHOVA nụrụ arịrịọ nke Moses, wee gbaghara ha. Ebere nke Chineke dị ukwuu, "Ọ bugh dika ajọ omume nile ayi si di ka O mesoworo ayi" (Abù Ọma 103:10).

Otú ọ dị, arapụghị ndị Israel náenyeghị ha ahụhụ. Ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ime mmehie n'enweghị ahụhụ. Ọ dịghị onye ọ bụla gaadaba nime mmehie mgbe ọ natasiworo ìhè ahụ, gaagbanarị ahụhụ nke ezi Chineke. Ọbụná Devid, mgbe JEHOVA gbaghasịrị ya ọ matara ihe ịta ahụhụ n'ihi mmehie ya nke dị ukwuu bụ. Ọbụná otú a, kwa ka enyere Ụmụ Israel ndị nnupụisi ahụhụ ziriezi. Ndịa ji ọnụ ha kwupụta amamikpé ha mgbe ahụ ha sịrị, "Ma-ọbụ n'ọzara nka! Ọ gādi ayi nọ nma ma asi na ayi anwuruwo." N'ihi nke a Chineke wee kwadobe na Ụmụ Israel gaanọ iri arọ anọ náawagharị nime ọzara ahụ, otù arọ̀ wee nọchita anya otù ụbọchị nke ndịnledo ahụ nọrọ n'ala Kenean, rue mgbe ọkpụkpụ onye ikpeazụ̀ nime ọkpụkpụ nwoke na nwanyị nime ndị ahụ nke nupụrụ JEHOVA isi, repịasịrị n'ájá nke ọzara ahụ. Ma ụmụ ha, ndị ha sịrị na ha gaabụ ihe nlụta n'agha, ka eduru baa n'Ala Mkwà ahụ. Nime narị puku ndịkom isii bụ ndị di iri arọ abụọ maọbụ karị mgbe ha si n'Ijipt pụta, ọ bụ náánị́ mmadụ abụọ, Joshua na Keleb, ruru Ala Mkwà ahụ n'ihi na, ha nwere "Mọ di iche." Ma ndị nledo iri ahụ ndị mere ka Ụmụ Israel tamùe ntamù, "Ọbụná ndikom ahụ, bu ndi nēme ka akukọ ọjọ banyere ala ahu puta, nwuru n'ihe-otiti ahu n'iru JEHOVA" (Ọnu-ọgugu 14:37).

## Mgbalị nke Ụmụ Israel Gbalịrị Ịbànye N'ala Kenean

Mgbe Moses gwara Ụmụ Israel banyere mkpebi ziriezi na enweghị mgbanwe nke Chineke nwere banyere ha. N'ihi na ha biliri n'isi ụtụtụ, wee rigorue elu ugwù ahụ sị, "Le ayi, ayi garigoru kwa ebe ahu nke JEHOVA kwuru okwu banyere ya: n'ihi na ayi emehiewo" (Ọnu-ọgugu 14:40). Ma Moses sịrị, N'ihi gini kwa ka unu onwe-unu nāgabiga okwu ọnu JEHOVA? Ma nke ahu agagh-aga nke-ọma. Unu arigola, n'ihi na JEHOVA anọgh n'etiti unu; ka

ewe ghara itigbu unu n'iru ndi iro-unu" (Ọnu-ọgugu 14:41, 42). Kama ha egeghị ntị n'okwu niile nke Moses, "Ha were, npako rigorue elu ugwu ahu: ma igbe ọgbụgba-ndụ JEHOVA, na Moses, esigh n'etiti ọmuma ulo-ikwuu pua" (Ọnu-ọgugu 14:44). Gịnị pụtara nime ijè ha jere? "Ndi Amalek we ridata, ha na ndi Kenean, bu ndi bi n'ugwu ahu, ha we tigbue ha, tipia kwa ha rue Họma" (Ọnu-ọgugu 14:45). Mgbe iri arọ̀ anọ gasịrị, ọgbọ a nupụrụisi lara n'iyi nime ọzara dịka JEHOVA si kwue.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ ọnọdụ obi nke Ụmụ Israel nke mere ha jiri zipụ ndị nledo ahụ ka ha gaa nyochaa ala ahụ?
2. Ụbọchị òle ka o were ndị nledo ahụ iji ledoo ala Kenean?
3. Gịnị mejupụtara akụkọ ha, ọ bụ kwa gịnị ka ha ji lata?
4. Gịnị bụ ihe akụkọ ahụ lụpụtara n'ebe Ụmụ Israel nọ, ọ bụ kwa na gịnị ka o dubara ha mgbe emesịrị?
5. Gịnị ka Moses na Eron mere nye ndị ahụ mgbe ha nụrụ ákwà ha?
6. Gịnị ka Joshua na Keleb mere iji gbaa ha ume ka ha gaa nweta ala ahụ? Gịnị bụ nzaghachi ndịa nyere ha?
7. Gịnị ka JEHOVA zubere iji leta ndịa mgbe ha nupụrụisi megide Ya?
8. Òlee ọnọdụ Moses weere n'oge a iji mee ka ikpé Chineke ghara irute Israel arụ?
9. Gịnị bụ amamikpé emere ka ọ dakwasị ndịkom na ndịnyom ahụ bụ ndị nupụrụisi megide Chineke?
10. Nime ndị ahụ gbara iri arọ̀ abụọ maọbụ karị nime Ijipt onye nime ha ruru Ala Mkwà ahụ? Ọ̀ bụ kwa n'ihi gịnị ka ha ji rue?